Mmetụta Olundị na Nkụzi na Ọmụmụ Asụsụ Igbo n'Ụlọakwụkwọ Sekọndịrị Ukwu n'Okpuru Ọchịchị Nsụka na Steeti Enugwu

Joy Ifeadịkannwa Obayi
Humanities Unit/Arts Education
School of General Studies/Faculty of Education
University of Nigeria, Nsukka
joy.obayi@unn.edu.ng
08065132008

Ụmịedemede

Asụsụ Igbo bara ụba nke ukwu. Otu ndị Igbo siri biri na mpaghara agbụrụ ha, otu ahụ ka olu ha sikwa dị iche iche. Ndị agbụrụ ọbụla na-aghọtakwa asụsụ ha na-asụ. Nchọcha a lebara anya ka mmetụta olundị ndị Nsụka na steeti Enugwu si emetụta nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe na steeti Enugwu. A jụrụ ajụjụ nchọcha atọ iji nweta ụsa nchọcha a. E lebakwara anya n'ihe emegasịrịla yiri nchọcha a iji tule isiokwu a na-ekwu maka ya. Ọ bụ ụmụakwụkwọ niile nọ na sekọndịrị ukwu nke abụọ na mpaghara Nsụka ka e jiri mee nchọcha. Ọ bụkwa usoro nleghariadịm ka e jiri mee nchọcha n'ihi na ahaziri njụmaaza iji nweta ụsa maka isiokwu. A haziri njụmaaza dị ka ntụziaka ndị ọkankụzi atọ siri dị bụ ndị si na mmụta ńka nakwa sayensi edukeshon. Ọ bụ usoro miin na ndipu n'izugbe ka e jiri hazie njatule. A chọpụtara na ọtụtụ ihe na-emetụta ọmụmụ Igbo izugbe na Nsụka gụnyere asụsụ ara nne, asụsụ ebe ụmụaka nọrọ too, asụsụ onyenkụzi enweghị mmasị ịsụ Igbo. Omume nne na nna oge ụfọdụ na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ Igbo izugbe. A tụnyekwara aro otu a ga-esi gboo mkpa ahụ dị ka: Ndị nne na nna ga-agba mbọ zụtara ụmụaka ha akwụkwọ e wepụtara maka ọmụmụ asụsụ Igbo ka ụmụ ha nwee ike ịgụ ha dị ka o kwesịrị. Ndị gọọmenti ga-ejisiike zite ndị nkụzi gụrụ Igbo n'ụlọakwụkwọ niile ka ha jiri Igbo izugbe na-akụzi Igbo nke a ga-eme ka ụmụakwụkwọ nwee mmasị ịmụ asụsụ Igbo.

Okwu gbara ọkpụrụkpụ: Asụsụ, Olundị, Igbo izugbe, Nkụzi, Ọmụmụ

Mkpọlite

Asụsụ bụ ihe na-eme ka mmadụ na ibe ya na-akparịtaụka. Ọ bụ ya na-eme ka mmadụ na ibe ya na-enwe mmekọrịta, nghọta nakwa ije ozi dịga iche iche. Ọ bụ

ya ka *National Policy on Education* (2014) jiri kwuo na ebe ọ bụ na asụsụ na-akwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya na ọ dị mkpa ka e jiri asụsụ atọ pụtawagara ihe n'obodo Naịjiria bụ Hausa, Igbo na Yoruba were na-ekwu okwu n'ụlọ nnọkọ iwu nke ala anyị, ụlọ ikpe nakwa azụ ahịa ka onye ọ bụla ghọta ibe ya nke ọma n'ihi nke a, na a ga-eji asụsụ ara nne na-akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ mgbe nwata ka nọ n'ogogo praịmarị were ruo n'ogogo nke atọ tupu e jiri asụsụ ọzọ tụwanyere n'asụsụ nkụzi na ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ niile na Naịjiria. E mekwara ya dị ka iwu na nwatakịrị ga-amụrịrị otu n'ime asụsụ obodo anyị ahụ. Ọ ga-emekwa ka enwee ezi nchekwaba na udo. Ọ bụ asụsụ ga-eme ka onye ọ bụla mara ihe mmadụ ibe ya bu n'obi n'ihi na nsị nọ n'afọ anaghị esi isi nke pụtara na ọ bụrụ na onye ahụ ekwughị okwu, mmadụ agaghị ama ihe onye ahụ bu n'uche. Ndị Ọka seyensi na-asi na mmadụ bụ anụmanụ n'ụzọ dị elu, mana ọ bụ asụsụ mere ka e nwee ndịiche na mmadụ na anụmanụ (Anagbogu, Mba na Eme, 2010). Anagbogu na ndị ọzọ gara n'iru sị na asụsụ bụ isi mmadụ wepụtara iji zipụta ihe mmadụ bu n'obi, mmetụta onye ahụ nwere nakwa nke e jiri mkpụrụedemede Igbo zipụta.

Ndị ọzọ dị ka Okafo na Ewelukwa (2012) kwukwara na asụsụ bụ ụzọ ndị mgbe ochie chepụtara ka mmadụ na ibe ya wee na-ekwurịta okwu maka na asụsụ bụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ha gara n'iru kwuo na asụsụ bụ ụda ahaziri ma nwee ọtụtụ ihe dị iche iche dịkwa omimi. Asụsụ Igbo dị n'ụdị n'ụdị dị ka obodo ọ bụla si dị otu ahụ ka olu ndị ahụ si adị. Ọ bụ ya ka a na-akpọ olundị Igbo maka ọ dị iche iche.

Olundị dị ka Ofomata (2013) si kwuo ya bụkwa asụsụ ọ bụ naanị ndị mpaghara obodo ahụ na-asụ ya. Ọ bụ asụsụ ahụ ka e jiri mara ndị obodo ahụ n'ihi na ndị agbataobi ha na-anụ ihe ha na-ekwu ma na-aghọtakwa ya. Mgbe ọ bụla a nụrụ ka ndị obodo ahụ na-ekwu okwu a marala onye obodo okwuu si bịa.

Onwekwara nke a na-akpọ Igbo izugbe. Nke ahụ bụ Igbo zuru Igbo ọnụ, nke onye Igbo ọ bụla na-asụ, bụ nke a nabatara e ji ede Igbo n'akwụkwọ ma na-ejikwa ya akụzi asụsụ Igbo n'ogogo ọ bụla n'ụlọakwụkwọ dị n'ala Naịjiria. Nke a mere ka e nwee nkwekọrịta na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'obodo Naịjiria ka a ghara ịsị na onwere ndị e ji asụsụ ha were dee maọbụ kụzie ihe.

Nchọcha a lebara anya olundị Nsụka na mmetụta nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ogo Sekọndịrị ukwu nke abụọ na steeti Enugwu dị n'ọwụwa anyanwụ Naịjiria. A ga-elebakwa anya n' agbamonwe ụfọdụ gụnyere: Ndị nkụzi, ụmụakwụkwọ, nkụzi na ọmụmụ. Olundị Nsụka dị ka e siri kewaa ya dabara n'olu ndị waawa maọbụ olundị mgbagougwu (Nwozuzu, 2017). Olu Nsụka bụ olu e jiri mara ndị Nsụka ma ndị Nsụka bi na mpaghara ugwu nke steeti Enugwu. Ndị Nsụka nwere mkpụrụedemede iri atọ na itoolu. Iri n'ime ha bụ ụdaolu ebe iri abụọ na itoolu bụ mgbochiume. Igbo izugbe bụ mkpụrụedemede iri atọ na isii ka e nwere. Asatọ n'ime ha bụ ụdaume, ebe iri abụọ na asatọ bụ mgbochiume. Ndịiche dị n'olundị na Igbo izugbe mere na e nwere ndịiche n'asụsụ Nsụka na Igbo izugbe, nke a bụrụ nsogbu n'odide na ọsụsụ Igbo. Ọ bụ ya mere nchọcha jiri chọọ ịmata mmetụta olundị Nsụka na-emetụta nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe.

Olundị bakwara uru nye obodo ọ bụla na-asụ ya. Mana Igbo izugbe ekweghị na a ga-eji ya dee ederede n'Igbo, kụzie ihe n'ụlọakwụkwọ, maọbụ sụọ ya n'ọgbakọ ụlọnzukọ iwu. Ọ bụ ụzọ dị iche iche obodo si asụ mere ọtụtụ n'ime ha jiri nwee nsogbu n'ịsụ Igbo izugbe. Ọ bụ eziokwu na e nwere olundị dị iche iche mana ndị Igbo na-aghọta onwe ha ma a sụọ asụsụ. Ọ bụ ya ka ndị Igbo jiri nwee nkwekọrịta na a ga-eji Igbo izugbe akụzi ihe. Ọ bụ onyenkụzi ga-eme ka nke a dị ire na ndụ ụmụakwụkwọ ọ bụla site n'ikụzi Igbo izugbe nye nwata akwụkwọ ọ bụla na-amụ Igbo ka olu ha niile bụrụ otu na-ede ihe n'otu ka o kwe onye ọbụla ghọta nkeọma ihe okwuu na-ekwu.

Onyenkụzi bụkwanụ onye na-eme ka ndị ọzọ ghọta ihe site n'ụzọ dị iche iche o si akụzi ya nakwa ṅka nkụzi dị iche iche ọ na-ewebatacha. Nkụzi bụ ọrụ ṅka, ọ bụ ya ka ndị nkụzi ji eje ọzụzụ ka ha wee nwee ṅka dị iche iche ma gbasokwa usoro nkwekọrịta gbasara nkụzi ka mmụta zuo oke. Onyekụzi Igbo kwesịrị ịgụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị elu, nwee nzere, nwee ọzụzụ dị ka onyenkụzi. Ọ pụtakwara na onyenkụzi ga-abụ onye maara ṅka nkụzi ma jiri ya na-eme ka ụmụakwụkwọ nwee amamiihe. Dị ka ezi onyenkụzi ọ ga-ama mgbe ụmụakwụkwọ ya na-esonye ma marakwa mgbe ike gwụrụ ha ka ọ gbanwee ṅka ya maọbụ kwụsị ka ndị ọ na-ara ahụ ịmụta ihe ọsọọsọ were nwee ike isonye na nkụzi ya. Ọ bụ nke a ka e jiri mara ezi onyenkụzi maka ndidi ha na-enwere ụmụakwụkwọ ha.

Ụmụakwụkwọ bụ ndị nọkọrọ ọnụ n'ụlọakwụkwọ, ndị dị njikere ịmụta ihe n'ọnụ onyenkụzi. Ụmụakwụkwọ bụkwa ndị na-agbaso usoro ọmụmụ ka ha were nwee nghọta. Ha ga-abụ ndị di njikere igbaso usoro nkụzi dị ka mkparịtaụka, ejije, ajụjụ nakwa ọsịsa ajụjụ. A na-ejikwa ṅka nkụzi dị iche iche agbazigharị uche ụmụakwụkwọ ka ọ daba n'ụzọ dị mma.

Olundị bụ nsogbu nye asụsụ Igbo n'ihi na ejighị olundị ede ederede n'Igbo. Agaghị ejikwanụ ya akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ makana ọ bụ ya ka e jiri nwee Igbo ọtọgrafị ebe e nwere nkwekọrịta mkpụrụedemede a ga-eji na-ede Igbo. A bia n'asụsụ Igbo dị ka onyeisi ule *West African Secondary School Certificate Ecxamination* (WASSCE) bido n'afọ 2009 ruo 2023 siri kwuo na ọtụtụ ụmụakwụkwọ ji olundị ede edemede n'Igbo kama iji Igbo izugbe ede ya. A na-eche na nke a nwere ike isi n'aka ndị nkụzi n'ihi na ha na-eji olundị akụzi asụsụ Igbo. Nke a nwere ike ime ka ụmụakwụkwọ na-anọ na mgbagwojuanya maka na ha na-ahụta asụsụ Igbo ka asụsụ siri ike. Ọ bụ ya ka onye nchọcha jiri jụọ ajụjụ a sị, kedụ ka olundị Nsụka si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe n'ogo siniọ sekọndịrị nke abụọ?

Nchọcha kọwara okwu gbaraọkpụrụkpụ dị ka: Asụsụ, olundị. nkụzi na ọmụmụ nakwa Igbo izugbe n'ụzọ dị nkenke ka odoo ndị mmadụ anya.-

Asụsụ

Asụsụ bụ ihe e jiri mara mmadụ. Ọ bụ asụsụ na-eme na mmadụ na ibe ya na-enwe mmekọrịta na-akpakọrịta ụka ma na-aghọtakwa onwe ha. Ọ bụ ya kpatara na Ugbor na Obayi (2024) jiri sị na asụsụ na omenala bụ akara njirimara obodo ọbụla. Ha gara n'ihu sị na asụsụ bụ ngwa pụtara ihe dị oke mkpa mmadụ na ibe ya ji emekọrịta ma bụrụ ngwa e ji enyefe omenala. Nke a pụtara na obodo na-anwụ anwụ bụ obodo enweghị asụsụ e jiri mara ha. Mana ọ bụ ihe mgbawa obi dị ka Onukawa (2014) na ndị nwe asụsụ Igbo amaghị eji asụsụ Igbo ede ihe maọbụ gụọ ya, kama ọ bụ asụsụ Bekee na asụsụ ndị ọzọ masịrị ha karịa asụsụ Igbo. Ha chefukwara na onye tufuru asụsụ ya etufuola njirimara ya na ebe o si.

Ọ bụ ya ka o ji dị mkpa na ndị Igbo chekwabara asụsụ Igbo ka ọ ghara anwụla dị ka ụfọdụ ndị Igbo na-ahapụ asụsụ Igbo maburu asụsụ Bekee. Obayi na Ugbor (2024) na nkọwa asụsụ sị na asụsụ bụ ihe na-egosipụta mmadụ na mmadụ n'ihi na asụsụ onye ahụ ga-egosi ebe onye ahụ siri bịa. Ọ bụ asụsụ gosipụtara ndịiche

na mmadụ na anụmanụ dị ka Agbedo (2015) siri kọwaa ya na asụsụ bụ ihe dị iche na mmadụ na anụmanụ makana anụmanụ anaghị ekwu okwu ka mmadụ. Ọfọmata (2015) tinye nke ya na asụsụ so n'omenala n'ihi na site n'asụsụ onye ka e ji ama agbụrụ onye ahụ.Odo na Onwuka (2024) kwusie ike na ọ bụ asụsụ ka mere ndị Igbo jiri mara na ha bụ nwanne. Ha gara n'ihu sị na asụsụ bụ ụda ndị ahụ nwere nghọta mmadụ na ibe ya ji akparịtaụka were mata ebunobi onye ahụ. Ugwu (2019) si nke ya na asụsụ bụ njimara kewara mmadụ na ụmụanụmanụ. Nke a bụ eziokwu n'ihi na anụmanụ anaghị ekwu ihe mmadụ na-anụ.

Ndị ọzọga dị ka Brook (2016) kọwara na asụsụ bụ ihe a na-amụ n'usoro mkpụrụ edide nke jikọtara ndị mmadụ n'usoro omenala. Otua ka Farinde (2018) hụrụ asụsụ dị ka ihe nrịbaama e jiri mara obodo, agbụrụ maọbụ ụwa mmadụ nọ, nke bụ ihe mmadụ jiri karịa anụ ndị ọzọ. N'ịga n'ihu ịkọwa asụsụ, Uba (2015) mere ka a mata na asụsụ bụ akara ụda e ji mmekọrịta egosi ọnọdụ ọ bụla mmadụ nọ na ya. Nkea pụtara na tupu ụda ọ bụla etozuo ịbụ asụsụ na ọ ga-enweriri nghọta. N'akụkụ nke ọzọ, Ekwenze (2017) kọwara na asụsụ bụ ụda nke sitere n'olu mmadụ nke nwere nghọta mgbe ọgan okwu dị iche na-emegharị ahụ n'ụzọ dịgasị iche iche nke mmadụ na ibe ya na-e ji ezirita onwe ha ozi. Ịga n'iru, Nwodo (2018) sị na ọ bụ usoro ụda nke dị iche iche nke ndị mmadụ sitere n'otu obodo, otu ebe maọbụ agbụrụ ji emekọrịta n'etiti onwe ha. Williams (2021) hụrụ asụsụ dị ka otu n'ime omenala nke e si n'ime ya akọwa ihe omenala bụ. Eze (2018) hụtakwara asụsụ dị ka ụzọ mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta nke nwere ike idi n'ụdi ederede ma ọ bụ ekwuru ekwu. Onwuka na Ulo-Bethels (2014) sị na mmadụ na-ebu ụzọ asụ asụsụ tupu obido dewe ede. Asụsụ, dị ka Omeje (2021) siri kwuo na asụsụ bụ ike obodo ma bụrụkwa ngwa ọrụ e ji echekwa omenala. Ọ gara n'ihu kwuo na ọ bụ asụsụ kacha mkpa n'usoro nzikọrịta ozi. Asụsụ na agụmakwụkwọ na-agakọ ọnụ n'ihi na ọ bụ asụsụ ka e ji akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ; ma asụsụ ọ bụla nwere njirimara ya.

Olundị

Olundị bụ ka ndị si asụ. Obodo niile nwere asụsụ ha na-asụ. Ọ bụ eziokwu na asụsụ ha bụ Igbo mana olu ha ji asụ ya dị iche n'olu ndị ọzọ ji asụ. Ọ bụghị asụsụ ndị Nsụka na-asụ ka ndị Ọka na-asụ maọbụ Udi na-asụ, mana o nwere ike ha anaghị aghọta onwe ha ma ha sụọ asụsụ ahụ. Iji maa atụ, asụsụ Igbo ndị Nsụka dị iche na asụsụ Igbo ndị Enugwu Ezike maọbụ Ọnịcha. Odide ya dịkwa iche. Ọ bụ

ya mere o jiri na-ahịa ahụ ma a hapụ ka e were olundị dewe Igbo n'ihi na ọ ga-esi ike na nghọta. Onye nchọcha jiri Igbo Nsụka were mee nchọcha iji gosipụta otu o siri sie ike ịghọta ihe nwata akwụkwọ na-ekwu. Iji maa atụ ụdaolu ndị Nsụka dị iri atọ na isii dị ka ọ dị n'Igbo izugbe mana ụdaume ndị Nsụka dị itoolu ebe e nwere asatọ n'Igbo izugbe. Mgbochiume adị iri abụọ na asatọ, ebe Nsụka nwere iri abụọ na asaa.

Olu Nsụka	**Igbo izugbe**	**Bekee**
Bịa Nwabe	Bịa ebe a	Come here
Wụshịa	Wụpụ ya	Pour it
Tọbee	dobe ya	Drop it
Eshushụa	Ahịhịa	Dirts
Mụnyi	Mmiri	Water
Imee, Deeje, Daarụ	Daalụ	Thank you
Ogodo	Akwa	Bed
Atịtị	Inyi	Dirty
Obshụa	Ọhịa	Bush
Echụchụ	Ụtarị	Cane
Nwantị	Nwata	Child
Ụmụntakịrị	Ụmụaka	Children

Igbo izugbe

Igbo izugbe bụ Igbo e si n'akụkụ Igbo dị iche iche weta na nkwekọrita ndị na-ahụ maka ọtọgrafị Igbo nke na-enye aka ka onye Igbo ọ bụla ghọta nwanne ya oge ọ bụla. Ọ bụ ya ka Mba (2013) jiri kọwaa Igbo izugbe dịka olu asụsụ na-arụ ọrụ dịka asụsụ izugbe nye ọtụtụ olu ndị dịga n'obodo nke ha dị ka asụsụ e ji akụzi ihe, asụsụ e ji eme ọgbakọ, na asụsụ e ji ede ederede, nke onye obodo na ngalaba obodo ahụ ga-aghọta. Igbo izugbe bụ asụsụ Igbo zuru Igbo ọnụ. Ọ bụ Igbo onye Igbo ọ bụla na-anụ ma na-aghọtakwa. Umo (2013) kwuo nke ya na Igbo izugbe hibere isi n'olundị Owere na Ụmụahịa. Ọ bụkwa Igbo a nabatara iji kụzie ihe n'ụlọakwụkwọ praịmarị wee ruo ogogo ọ bụla n'ụlọakwụkwọ. Nwozuzu (2017) kọwara ya dị ka asụsụ zuru Igbo niile ọnụ. Ọ bụ ọtọgrafị e ji dee ya ka a nabatara iji na-ede akwụkwọ n'Igbo, iji kụzie ihe n'ụlọakwụkwọ niile dị n'obodo na-akwa ebe ọ bụla a na-amụ Igbo n'ụlọakwụkwọ.

Igbo izugbe dị ka Ụwalaka (2021) siri kọwa ya bụ olu asụsụ nke nwere nkwado. Nkwado a nwere ike si n'aka gọọmenti, ndị nkịtị, ụlọakwụkwọ, akwụkwọ ederede, nkọwa okwu na agụmagụ. Ofomata (2004) kọwara Igbo izugbe dị ka asụsụ Igbo zuru Igbo maọbụ obodo niile ọnụ. Ọ bụ onye ọ bụla na-anụ na-aghọtakwa. Igbo izugbe bụkwa ụdịrị asụsụ Igbo a na-akụziri onye ọ bụla abụghị onye Igbo na-amụ asụsụ Igbo.

Nkụzi

Nkụzi bụ mmadụ iwepụta onwe ya inyefe mmụta o nwere nye onye ọzọ ka o keta oke na ya. Nkụzi bụ ihe siri ike ime mana ọ dị nnukwu mkpa na ndụ mmadụ. Onye na-akụziri mmadụ ihe ga-ama ihe ọ na-akụzi. Ọ ga-amakwa ńka dị iche iche ọ ga-eji nyefee ya onye ọ na-akụziri ka ọmụta ya. Onye na-akụzi ihe na-enwe ndidi iji hụ na onye ọ na-akụziri ihe ghọtara ihe ọ na-akụzi. Nkụzi bụ iji amamiihe tụmadụ n'ihe ọ na-akụzi. Ọ bụ enyo nke e dere isiokwu a na-ekwu maka ya. Ọ bụkwa onye dị njikere inyefe amamihe ya n'aka ndị ọzọ ndị dị njikere ịmụta ihe.

Ọmụmụ

Ọmụmụ bụ ụzọ na-ebute mgbanwe n'omume na akparamagwa mmadụ ọ bụla n'ihi ahụmihe nke sitere na nkwekọrịta dị n'etiti mmadụ na gburugburu ya (Onwuekwe, 2014). Ọmụmụ na-ere isi abụọ; o nwere ike bụrụ n'ụzọ ọma ma ọ bụ n'ụzọ ọjọọ. Ọ bụrụ na mmadụ nabatara ọmụmụ site na mkpebi na nkwekọrịta, ọ bụrụ nke ọma. Mana nke adịghị mma n'anya mmadụ na nkwekọrịta mmadụ, ọ bụrụ nke ọjọọ. Udensị, Obayi na Dioka (2024) kwuru na ọmụmụ na-eweta ọganiihu, udo na nkwuwa okwu. Ọ bụ ọmụmụ ga-eme ka mmadụ mara ihe nzuzo ụfọdụ ma si na ya mụta ihe.

Ọmụmụ na-eme ka obodo gaa n'ihu, na-eto eto. Mgbanwe dị iche a dị n'obodo. Ọ bụ ọmụmụ na-eme ka mmadụ gaa mba dị iche iche ma ghọta ihe dị iche iche nke mmadụ ahụ nwere ike iwelata n'obodo nke aka ya ka obodo were gawa n'ihu. Ọmụmụ ịgbakọ ọnụ kpebie ka a ga-esi tọrọ mmadụ were kpara ego bụ ọmụmụ ọjọọ, nke mmadụ nwere ezi akọnuche a gaghị ekwe ka ya mụta nke ahụ.

Mmụta gụnyere nghọta, ncheta, mkpali mmụọ, nkwado, okike na mmepụta. Onye na-amụ ihe bụkwa onye dị njikere ịmụ ihe. Makana mmadụ na-akwado obi ya ị nabata ọmụmụ tupu ọ nọrọ ala mụwa ya. Ma ọmụmụ abụghị ihe a na-amanye

mmadụ amanye ime, ọmụụ ga-eji obi ya nabata nkụzi ahụ tupu ọ nọrọ ala gee ntị ma ghọta nkụzi ahụ a na-akụziri ya.

A jụrụ ajụjụ nchọcha atọ iji nweta ụsa nchọcha a dị ka:
1. Kedu ka olundị Nsụka sị emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu 2 n'ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe na mpaghara Nsụka?
2. kedu ka ahịrịokwu dị n'olundị Nsụka si ebute mmetụta n'ahịrịokwu Igbo izugbe n'okpuru ọchịchị Nsụka?
3. Kedu ka olundị Nsụka si emetụta ụmụakwụkwọ ndị sekọndịrị ukwu2 n'ịkpọpụta mkpụrụokwu Igbo izugbe n'okpuru ọchịchị Nsụka na steeti Enugwu?

Nchọcha nwere ọtụtụ uru si na ya pụta. Uru atụtụ na uru nkịtị. uru atụtụ bụ uru nke mmekọrịta mmadụ na ibe ya bụ nke Bandura tụpụtara n'afọ 1962. Bandura sịrị na nwata ọ bụla nwere akụkụ o siri pụta ebe ya na ibe ya na-enwe mmekọrịta. Ọ sịrị na ọ bụ omume a na-eme na gburugburu ahụ ka nwata ahụ gana-eme n'ihi na ọ bụ ihe ọ na-ahụta na gburugburu ya ma ọ bụ ndị ya na ha na-enwe mmekọrịta; dị ka nne na nna, enyi, ikwu na ibe. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ihe ha na-anụ a na-asụ na gburugburu ga-abụ ọgbatauhie nye ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe n'ụlọakwụkwọ. Ọ ga-abakwara ndị nkịtị uru dị ka : ụmụakwụkwọ, ndị nkụzi, nne na nna, ndị na-ahụ maka kọrịkụlum na ndi isi na-achịkwa ụlọakwụkwọ niile.

N'ebe ụmụakwụkwọ nọ, ọ ga-abara ha uru n'ihi na ụmụakwụkwọ ga-ama ndịiche n'olundị na Igbo izugbe kpọm kwem. Ọ ga-emekwa ka ụmụakwụkwọ nwee mmasị ịmụ asụsụ Igbo izugbe ebe ọbụ naanị ya ka e ji ele ule.

Ọ ga-abara ndị nkụzi Igbo uru n'ihi na ọ ga-enyere ha aka ka ha ghara igwakọta olundi na Igbo izugbe. Tụmadị mgbe ha jewere asụm mpi n'Igbo izugbe. Onyenkuzi ọ bụla ga-agba mbọ ihụ na o jisiri ike ịsụ Igbo izugbe dị ka o siri kwesi. Ma jirikwa ya na-akụzi Igbo n'ụlọakwụkwọ.

Nne na nna ga-eritakwa uru n'ihi na ha ga-ejisi ike mara na ọbara uru bụ izụta akwụkwọ Igbo kwesiri nye ụmụaka ha inyere ha aka n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ha ga-amakwa mkpa ọ dị ịsụrụ ụmụaka Igbo izugbe nakwa ịkwado ha n'ihe ọ bụla ga-ewuli mmasị ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe.

Ndị nhazi kọrịkụlum ga-amatakwa mkpa ọ dị ihazi akwụkwọ Igbo ka o jupụta n'ihe omume na ihe ngosi ka ụmụakwụkwọ gbaa mbọ ịdị na-emụ Igbo izugbe na-emenwo ihe niile e nyere ha mee ka ha nwee ike ime nke ọma n'asụsụ Igbo.

N'ebe ndị nlekọta ụlọakwụkwọ nọ, ọ ga-enyere ha aka ịma akkụkụ ha ga-ahazi nleba anya ndị nkụzi Igbo mgbe ha bịara ịnwale ndị nkụzi n'ụlọakwụkwọ. Ọ ga-eme ka ndị nkụzi dị uchu n'ọrụ ha nakwa ndi isi nlekọta Igbo n'ụlọ ọrụ ha.

Oke nchọchaa jedebekwara na mmetụta olundị Nsụka na-emetụta ndị sekọndịrị ukwu nke abụọ n'okpuru ọchịchị Nsụka na steeti Enugwu. O metụkwara aka ka olundị Nsụka si emetụta Igbo izugbe n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Nsụka. Ọ bụ ụmụakwụkwọ niile ndị SS2 ka e jiri mee nchọcha.

Ọtụtụ ndị mmadụ emerala nchọcha n'isiokwu yiri nchọchaa dị ka: Ezema (2017) mere nchọcha n'isiokwu sịrị "Mmetụta ngwakọrịta asụsụ Bekee na-emetụta ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị ime obodo Nsụka". Sọvee nkọwa ka o jiri mee nchọcha ya, nsere ebumnobi na usoro tụmbọm tụmbọm were sere ụmụakwụkwọ dị narị abụọ. ọ bụkwa usoro ntụcha miin na ndịpu n'izugbe ka e jiri tụchaa nchọcha. A chọpụtara na ngwakọrịta asụsụ Bekee na Igbo na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo, odide ya nakwa nsụpe ya. Myiri dị na nchọcha Ezema na nchọcha a na-arụtụ aka ihe kpatara na ụmụakwụkwọ anaghị eme nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe.

Nchọcha ọzọ bụ nke Eze na Ozouri (2016) mere nke isiokwu ya bụ "Mmtụta asụsụ Bekee na-emetụta nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị dị na Nsụka. Ha ji sovee nkọwa wee mee nchọcha. Nsere ebumnobi ka e jiri họrọ ụlọakwụkwọ dị iri ma were nsere nhatanha họrọ ụmụakwụkwọ dị narị abụọ e jiri mee nchọcha.

Ọ bụ usoro miin na ndịpu n'izugbe ka e jiri tụchaa ya. A chọpụtara na nne na nna ụfọdụ na-achọ ka ụmụ ha na-asụkarị asụsụ Bekee iji gqsi na ha gụrụ akwụkwọ. Ọzọkwa bụ na ha na-ewebatakarị asụsụ Bekee mgbe ha na-ekwu okwu iji kọwaa onwe ha nke ọma ka a ghọta ihe ha na-ekwu. Nchọcha a yitere nke ugbu a n'ihi na nke Ozouri na Eze na-ekwu maka ọmụmụ asụsụ Igbo. mana ndịiche dị na ha

abụọ bụ na nchọcha nke a na-ekwu maka mmetụta olundị na-emetụta nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo.

Nchọcha ọzọ yitere nchọchaa bụ nke Ugwu na Okonkwọ (2016) mere n'isiokwu sịrị "Etu asụsụ Bekee si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu na steeti Enugwu". Ọ bụ sovee nkọwa ka e jiri mee kwa na Bekeenchọcha. Ọnụọgụ ụmụakwụkwọ e jiri mee nchọcha dị narị na iri abụọ. Ọ bụ njụmaaza ka e jiri nweta njatụle. Ndị nchọcha chọpụtara na ihe asụsụ Bekee ji emetụta asụsụ Igbo bụ e nweghị ezi ndị nkụzi. Ma ndị nkụzi anaghị etinye uchu n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ogo praịmarị. nchọcha a yiri nke ugbu a n'ihi na ha abụọ na-eleanya n'ihe na-emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo. ma ọ bụkwa na steeti Enugwu, mana ndịiche bụ na ọ bụ na praịmarị ka Ugwu na Okonkwo mere nke ha, ma nke ugbu a bụ na sekọndịrị. nke Okonkwo bụ Bekee na mmetụta asụsụ Igbo. mana nkea na-ekwu maka olundị Nsụka na mmetụta ọ na-emetụta Igbo izugbe.

Nchọcha ọzọ yitere nkea bụ nchọcha Ude (2012) nke sịrị "Mmetụta Fonoloji olundị Udi n'ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe" E jiri usoro nchọcha a kpọrọ Ekspostu-Fakto wee mee ya. Ọ bụ ụmụakwụkwọ niile nọ n'ogo sekọndịrị ukwu abụọ (SS11) ndị dị otu puku, narị isii na iri ise (1650) n'ọnụọgụ. ndepụta nannwale ọnụ. E seere otu nari nairi asatọ n'ọnụọgụ. Ngwa nchọcha ya dị abụọ; ajụjụ ndepụta na nnwale ọnụ. O jiri tepu rekọda wee dọrọ otu ụmụakwụkwọ ga-esi kpọpụta ụda/okwu ndị a ga-edepụtara ha. Nchọcha Ude yiri nchọcha a n'ihi na ha abụọ na-ekwu okwu maka olundị na asụsụ Igbo izugbe. Mana ebe ndịiche dị na ha bụ na Ude na-ekwu maka Fonọlọji Udi ebe nchọcha nke a na-ekwụ maka olundị Nsụka. Nke mere o ji dị eigbo mkpa ịmara ma e nwere mmetụta dị otua na mpaghara Nsụka nke na-emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe.

Ụdị nchọcha e jiri mee nchọcha bụ nlegharịadịm nkọwa nke Nworgu (2015) kọwara ya dị ka ụdị nchọcha nke ebumnuche ya bụ ịchịkọta ihe nchọha ma kọwapụta ha n'usoro n'usoro iji chọpụta njirimara nakwa ihe banyere ọnụọgụgụ ndị e ji eme nchọcha ahụ. Onye nchọcha họọrọ nlegharịadị nkọwa maọbụ sọvee nkọwa. Nchọcha họọrọ nke a n'ihi na onyere aka ịkọwapụta otu olundị Nsụka si adị ma ka e si asụ ya.

Ọ bụkwa n'okpuru ọchịchị Nsụka ka a nọrọ mee nchọcha. Eji ịrụ ọrụ oyibo mara Nsụka. Ọtụtụ n'ime ha na-agụ akwụkwọ. Ndị na-azụ ahịa na-azụkwa ahịa. Ụfọdụ bụkwa ọrụ ugbo ka ha na-arụ. Ndị Nsụka na-emekwa omenala nke ukwu. Nke na ha na-eme ememe mmọnwụ afọ niile dị ka mpaghara ọ bụla si dị. O nwekwara ndị na-aka ụka na Nsụka. E ji Nsụka mee nchọchaa n'ihi na Nsụka bụ obodo ndị ọbịa bi nnukwu na o kwesịrị ka olundị ghara ịbụ ihe a na-ahụta mgbe ụmụakwụkwọ na-asụ Igbo. Ndị Nsụka na-eme nwanne nke ukwu; I nwere ike ịbata be onye Nsụka, o kpokọrọ ụmụnne ya niile na-azụ ha. Onye ahụ nwere ike ọ mụtabeghị nwa nke ya mana o were ya na ụmụnne ya ahụ bụ ụmụ ya, na ha dị mma echi, ọ bụ ya dị mma. A ma ndị Nsụka ka ndị nwere obi ọma na obi ebere. A makwaara ndị Nsụka dị ka ndị anaghị eme ihe ike, ndị na-sọ ikwafu ọbara nsọ. Nsụka na-agbakwa mbọ zeere ihe a kpọrọ arụ maọbụ ihe ala na-asọ nsọ. N'ihi na ha kwenyere na onye tinyere aka n'ihe ọjọọ dị otua anaghị atọ atọ.

E weere ụlọakwụkwọ iri na ise n'ime ụlọakwụkwọ iri atọ na abụọ e nwere na mpaghara Nsụka wee mee nchọcha bụ ndị nọ sekọndịrị ukwu nke abụọ (SS11). Ndị onụọgụ ha dị 2263 ma sere ụmụakwụkwọ 700 na ndị nkụzi iri asaa na abụọ (72) bụ ndị niile na-akụzi Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị niile dị na mpaghara Nsụka (*Post Primary School Management Board*,(PPSMB) 2024) Nsụka.

Ọ bụkwa njụmaazaa ka e jiri nweta njatụle e jiri mee nchọcha. Onye nchọcha kere ajụjụ n'onwe ya ma nakọtakwa ya.

A haziri njatụle site n'ajụjụ atọ a jụrụ ma hazie ya na tebulu.

Ajụjụ nchọcha nke mbụ: kedu ka olundị Nsụka si emetụta ụmụakwụkwọ n' ide n'Igbo izugbe n'okpuru ọchịchị Nsụka?

Tebul 1: Miin na ndịpu n'izugbe otu olundị Nsụka si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu 2 n'ide ihe n'Igbo izugbe na mpaghara Nsụka.

Ọgụ	**Ndịna**	**EI**	**E**	**AI**	**A**	**Miin**	**Ndịpu n'izugbe**	**Mkpebi**
1	Ana m eji olundị ede ihe	40	20	10	8	3.35	0.87	Anabatara
2	Enweghị m ike ide ihe n'Igbo izugbe	45	17	15	3	3.32	0.89	Anabatara
3	Ana m agwakọta olundị na Igbo izugbe ma m na-ede edemede	50	20	6	4	3.85	1.08	Anabatara
4	Ana m eji usoro mkpọpụta mkpụrụokwu olundị Nsụka ede ya ede	30	25	19	6	3.40	0.87	Anabatara
5	Ejighị m olundị edetu ahịrịokwu ọ bụla m mebere	43	22	10	5	3.12	0.89	Anabatara

Site na miin ndị pụtara ihe na tebul nke mbụ, o gosiri na olundị Nsụka na-emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu 2 n'ide Igbo izugbe na mpaghara Nsụka. Miin ndị gafere 2.5 bụ miin ọnọdụ mkpebi bụ 3.35, 3.32, 3.85, 3.40 na 3.12 ma nwee mgbakọtaọnụ miin bụ3.40. Nke a gosiri na ndị sara ajụjụ kwekọrịtara na olundị Nsụka na-emetụta ụmụakwụkwụkwọ sekọndịrị ukwu 2 n'ine Igbo izugbe na mpaghara Nsụka.

Ajụjụ nchọcha nke abụọ: Kedu ka ahịrịokwu dị n'olundị Nsụka si ebute mmetụta n'ahịrịokwu dị n'olundị Nsụka si ebute mmetụta n'ahịrịokwu Igbo izugbe n'okpuru ọchịchị Nsụka?

Tebul 2: Miin na Ndịpu n'izugbe otu ahịrịokwu n'olundị Nsụka si emetụta ahịrịokwu Igbo
izugbe n'ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe

	Ndịna	**EI**	**E**	**AI**	**A**	**Miin**	**Ndịpu n'izugbe**	**Mkpebi**
6	Ụmụakwụ kwọ na-eji olundị Nsụka emebe ahịrịokwu oge niile	43	18	16	3	2.07	0.78	Anabatara
7	Ụmụakwụkwọ na-asụ naanị Igbo izugbe n'ụlọakwụkwọ	60	10	5	5	3.31	0.89	Anabatara
8	Ụmụakwụkwọ a naghị emebe otu ahịrịokwu zuru oke n'Igbo izugbe na-etinyeghị olundị	51	22	6	1	3.36	0.92	Anabatara
9	Ụmụakwụkwọ anaghị agwakọta olundị na Igbo izugbe	36	27	9	8	3.72	0.45	Anabatara
10	Usoro mmebe ahịrịokwu n'olundị Nsụka na nke Igbo izugbe bụ out	21	33	10	16	3.48	0.43	Anabatara

Tebul nke abụọ pụtara ihe n'elu ebe a gosiri na ahịrịokwu olundị Nsụka na-emetụta ahịrịokwu nke Igbo izugbe n'ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe. Miin niile dị na tebul nke abụọ dị n'elu ebe a bụ 2.07, 3.3.31, 3.36, 3.72 na 3.48 ebe mgbakọtaọnụ miin bụ 3.18. ha niile gafere 2.5 bụ ntọ miin mkpebi ndịna a nabatara na nchọcha a. Nke a gosiri na ahịriokwu olundị Nsụka na-emetụta ahịrịokwu Igbo izugbe n'ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe.

Ajụjụ nke atọ: Kedu ka olundị Nsụka si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu n'ọmụmụ mkpụrụokwu Igbo izugbe na mpaghara Nsụka?

Tebul 3: Miin na ndịpu n'izugbe otu mkpụrụokwu olundị Nsụka si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu abụọ n'ọmụmụ mkpụrụokwu Igbo izugbe n'okpuru ọchịchị Nsụka na steeti Enugwu

Ọgụ	**Ndịna**	**EI**	**E**	**AI**	**A**	**Miin**	**Nipu n'izugbe**	**Mkpebi**
11	Enweghi ndịiche na mkpọpụta mkpụrụokwu n'olundị Nsụka na Igbo izugbe	29	31	15	5	2.40	1.05	Anabataghị
12	Ụmụakwụkwọ na-agbaso usoro mkpọpụta mkpụrụokwu n'olundị Nsụka karịa isụpe n'Igbo izugbe	33	30	7	10	2.30	0.90	Anabataghị
13	Ụmụakwụkwọ na-akpọ ihe aha ya n'olundị Nsụka karịa n'Igbo izugbe	47	19	4	10	2.80	0.80	Anabatara
14	Ọ naghị ahịa ụmụakwụkwọ ahụ ikwu ihe ọ bụla na-etinyeghị	29	32	13	6	3.39	0.90	Anabatara
15	Out esi akpọpụta mkpụrụokwu ụfọdụ n'olundị Nsụka na nke Igbo izugbe	40	16	15	9	3.26	0.56	Anabatara

Tebul nke atọ dị n'elu ebe a gosiri na mkpụrụokwu dị n'olundị Nsụka na-emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu abụọ n'ọmụmụ mkpụrụokwu dị n'Igbo izugbe. Nke a gosiri na miin dị na tebul 2.40, 2.30, 2.80, 3.39 na 3.26 ebe mgbakọtaọnụ miin bụ 2.83. miin ndị ahụ gafere 2.5 bụ miin ntọ mkpebi ndị anabatara na nchọcha. Nke a gosikwara na ụmụakwụkwọ nwere nkwekọrịta na mkpụrụokwu olundị

Nsụka na-emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu abụọ n'ọmụmụ mkpụrụokwu Igbo izugbe.

Mkparịtaụka

A chọpụtara na Olundị Nsụka na-emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe. N'ajụjụ nchọcha nke mbụ nke siri kedu ka olundị Nsụka si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu 2 n'ọmụmụ Igbo izugbe? A chọpụtara na olundị Nsụka na-emetụta ụmụakwụkwọ N'ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe site na ndịna nke mbụ, nke abụọ nakwa nke atọ. Miin ha gafere 2.5 bụ ntọ mkpebi miin ndị a nabatara n'ịkwado na mgbanwe na mkpụrụụda na-ebute ndịiche n'olundị na Igbo izugbe. O gosikwara na ọmụmụ asụsụ abụghị naanị na mkpọpụta kama o metụtakwara odide.

Nchịkọta

Nchịkọta a lebara anya na mmetụta olundị Nsụka na-emetụta Igbo izugbe n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ukwu 2 n'okpuru ọchịchị Nsụka, steeti Enugu. Nchọcha lebara anya n'isiokwu, Otu Olundị Nsụka si emetụta Igbo izugbe. Nchọcha lebakwara anya na ntụlegharị agụmagụ bụ ndị metụtara isiokwu a. nchọcha kọwakwara ebe a nọ mee nchọcha ma hazie njatụle na tebulu iji gosipụta ụsa nchọcha. Nchọcha mechakwara tụnye arọ iji gbochie olundị imetụta Igbo izugbe.

Na mmechi a chọpụtara na olundị Nsụka na-emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo na n'okpuru Nsụka. N'ajụjụ nchọcha nke mbụ nke sịrị, kedu ka olundị Nsụka si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu 2 n'ọmụmụ asụsụ Igbo? A chọpụtara na olundị Nsụka na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe site na ndịna nke abụọ nakwa nke atọ n'ihi na miin ha gafere 2.5 bụ ntọ mkpebi miin ndị a nabatara n'ikwado na olundị Nsụka na-emetụta Igbo izugbe, Ngoesi (2018) kọwara na mgbanwe na mkpụrụ ụda na-ebute ndịiche n'olundị na Igbo izugbe. O gosikwara na ọmụmụ asụsụ abụghị naanị na mkpọpụta kama o metụtakwara odide n'ihi na mgbe ode dere ihe abụghị mkpụrụ ụda dabara adaba nwata a na-akụziri ga-ebukwara ụda ahụ na-ezighị ezi na-aga dị ka ọ na-amụ Igbo.

Ntụnye Aro

Nchọcha tụnyere aro otu a ga-esi gboo mkpa ihe gbasara olundị na ọmụmụ Igbo izugbe dị ka: Ndị nne na nna ga-agba mbọ zụtara ụmụaka ha akwụkwọ e wepụtara maka ọmụmụ asụsụ Igbo ka ụmụ ha nwee ike ịgụ ha dị ka o kwesịrị.

Ndị gọọmenti ga-ejisike zite ndị nkụzi gụrụ Igbo n'ụlọakwụkwọ niile dị na mpaghara Nsụka ma hụ na ha ji Igbo izugbe akụzi Igbo; nke a ga-eme ka ụmụakwụkwọ nwee mmasị ịmụ asụsụ Igbo.

Nrụaka

Agbedo, C.E. (2015). *General Linguistics: Historical and Contemporary Perspectives*. Nsukka: Ntaeshe Press

Anagbogu, P.N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to Linguistics*. Awka: Amaka Dreams

Brooks, N. (2016). *Language and Learning: Theory and Practice*. New York: Harcourt Brace and World.

Eze, U.C. (2018). Ihe na-Ebute Nsogbu Enweghị Mmasị n'Ọmụmụ Asụsụ Igbo n'Ụlọakwụkwọ Praịmarị na Zoon Mmụta Nsụka dị na Steeti Enugwu. Akwụkwụkwọ ebipụtaghị ebipụta. Ngalaba Mmụta Ṅka, Mahadum Naịjiria, Nsụka

Eze, U.C. na Ozouri, G.E. (2016). Mmetụta Asụsụ Bekee na-Emetụta Nkụzi na Ọmụmụ Igbo n'Ụlọakwụkwọ Siniọ Sekọndịrị dị n'Okpuru Ọchịchị Nsụka. Unpublished B.A. project. University of Nigeria, Nsukka

Ezema, C.A. (2012). Adịgide naỤzọ Nkwalite Ndụmede n'Ime Igbo n'Ụlọakwụkwọ Sekọndịrị dị na Zoonu Mmụta Nsukka. Unpublished Ph.D thesis, University of Nigeria, Nsukka

Ezema, O. C. (2017). Mmetụta Ngwakọrịta Asụsụ Igbo na Asụsụ Bekee na-Emetụta Ọmụmụ Ụtọasụsụ Igbo n'Ogo Siniọ Sekọndịrị dị n'Okpuru Ọchịchị Ime Obodo Nsukka na Steeti Enugwu. Akwụkwọ Ebipụtaghị Ebipụta Ngalaba Mmụta Ṅka Mahadum Naijiria, Nsukka.

Ekwenze, T.O. (2017). *Nkụzi Ụdasụsụ Igbo*. Niger: Unique Press.

Farinde, R.O. (2018). Nigerian Languages in Education and National Development. *Journal of Teacher Education.* Ondo, 81 (1) 19-25

Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ*. Enugu: University of Nigeria Press Ltd

Ngoesi, M.C. (2018). *Nchịkọta Ihe Ọmụmụ Nke Asụsụ Igbo*. Anambra: Optimal Press.

Nwaozuzu, G.I. (2017). *Dialects of the Igbo*. U.N.N: University of Nigeria Press

Nwodo, C.S. (2018). *Applied English Linguistics: An Introductory Approach*. Nigeria: Liben Press.

Obayi, J.I. (2025). Nchekwa Ọdịnala Igbo N'Oge Ugbua na Nsụka. *Ugo Journal of Centre for Igbo Studies, University of Nigeria,* Nsukka, 9 (1), 71-79

Obayi, J.I. na Ugbor, G. N. (2024). Nkanụzụ N'Ihe Gbasara Nkụzi na Ọmụmụ Asụsụ Igbo na Ngalaba Mmụta Nzuruọha, Mahadum Naijiria, Nsukka. *International Journal of Arts and Technology Education,* 13 (1), 48-52

Odo, C.C. na Onwuka, G.T. (2024). Adimire Kọmputa na Mmeta Nke Ọma Ụmụakwụkwọ Siniọ Sekọndịrị nỌmụmụ Abụ Ederede Igbo na Zoonu Mmụta Nsukka na Steeti Enugu. *International Journal of Arts and Technology Education.* 13 (1), 33-47

Ofomata, C.E. (2015). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Ogbuehi, C.U. (2012). *Interference of Mother Tongue (Igbo) on English Language and a Suggested Solutions*: English as a Second Language in Nigeria. Nsukka. Magnet Business Enterprises

Okafor, C.U na Ewelukwa, U. (2012). *Nhazi Asụsụ Igbo Maka Ndị Siniọ Sekọndịrị, Kọleji, WASSCE, NECO, GCE, JAMB*. Onitsha: A.C. global publishers.

Omeje, M.O. (2021). Mmetụta Olundị Ndị Nsụka na Nkụzi na Ọmụmụ Asụsụ Igbo izugbe n'Ụlọakwụkwọ Praịmarị nOkpuru Ọchịchị Nsụka. *Ekwe Jonal nke Ndị Igbo Schọlara Forum, Naijiria,* 14 (13), 96-105

Onụkawa, M.C. (2014). Importance of Language – Why Learning a Second in Important. www.discover.trinity.edu/

Onwuekwe, A.I. (2014). Compiled Monographs and Notes Delivered in Ph.D lectures in Department of Music, Nnamdi Azikiwe University, Awka

Onwuka, G.T., & Uloh-Bethels, A.C. (2014). Quanlity Language Education: A veritable Instrument for Acquiring Entrepreneurial Competence. *International Journal of Arts and Combined Sciences. World Economic and Empowerment Journal Series*, 3 (4), 95-104

Uba, R. N. (2015). *Family Studies*. Cambridge: University Press.

Ude, F.U. (2012). Mmetụta Fọnọlọjị OlundI Udi NỌmụmụ Asụsụ Igbo izugbe N'Ogo Siniọ Sekọndịrị na Zoonu Mmụta Nke Udi na Steeti Enugu. Unpublished M.Ed Project, Department of Arts Education, Unversity of Nigeria, Nsukka.

Umo, C. (2013). Igbo Language and Identity. *Journal of Literature and Arts Studies* 3(9), 576-588

Udensi, P.E., Obayi, J.I. na Dioka, B.O. (2024). Akparamagwa Ndị Anaghị Asụ Igbo N'Ebe Ụmụmụ Asụsụ Igbo Nọ: Ọkachasị na Ngalaba Ụlọakwụkwọ Ọmụmụ Nzuruọha (SGS) Mahadum Naijiria Nsukka. *South- South Journal of Humanities & International Studies, A Multi-Discplinary Journal of the Faculty of Humanities*, 7 (1), 621-636

Ugbor, G.N. na Obayi, J.I. (2024). Nkanụụzụ Dịka Ngwa Nchịkọba na Nchekwaba Asụsụ na Omenala Igbo na Mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjiria. *International Journal of Arts and Technoloy Education*, 13 (1), 17-24

Ugwu, C.C. (2019). Mmetụta Ọnọdụ Ezinaụlọ Nwere na Asụsụ Igbo na Zoonu Mmụta Nsukka. Nchọcha M.Ed, Faculty of Education, U.N.N

Uwalaka, A. J. (2021). "Dialects a Dialect and Dialectical Problems". A Seminer Paper Presented in Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Williams, D. (2021). *English Language Teaching: An Integrated Approach*. Ibadan: Spectrum Books.